# Achumaja n'Ala Igbo Dị ka ọ dị n'Ufọdụ Iduuazị Igbo

Ọkwọ, Augusine. Ch

*Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka*

**Ụmị**

Nchọcha a lebara anya n'ịchụ aja n'ala Igbo n'ọnọdụ di iche iche dịka ọ dị n'ụfọdụ iduuazị Igbo. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ọnọdụ dị iche iche a chụrụ aja n'iduuazị Igbo ụfọdụ. Iduuazị ndị ahụ e jiri mee nchọcha a gụnyere ndị a: *Ahụbara eze ama* (AEA) na *Ụkpana okpoko buuru* (ỤOB), nakwa ịchọpụta ụdị nyaji/ure dị iche iche ndị odee jiri chọọ iduuazị ha mma. Ọ bụ usoro nseere nzụbe ka e jiri họrọ iduuazị ndị e jiri mee nchọcha a, bụ nke mere na onye nchọcha gụrụ ọtụtụ iduuazị Igbo tupu ọ họrọ iduuazị abụọ ndị ahu. E jiri atụtụ ọnọdụ wee tụchaa njantule. Nchocha a chọputara na ọnọdu kacha pụta ihe n'achụmaja n'ala Igbo n'iduuazị ndị e jiri mee nchọcha a bụ ọnọdụ ndị a; *nleta/ọbịa, ịzu ohi, ichi eze, njem, ịkwado agha; ịgwọ ọrịa, icheta nkwa e kwere arụsị na ịbọrọ Ọbọ* ihe ojọọ. Nchọputa nchocha a na-egọsi na o bụrụ nandị odee iduuazị Igbo etinyewe ịchụ aja n'iduuazị Igbo na ọ ga-enye aka ka ndị ntorobia bụ ndị amabughi uru ịchụ aja bara n'omenala Igbo mara ha. Ya bụ na iduuazị Igbo kwesiri ịbụ ụzọ e si echekweba omenala Igbo nke ịchụ aja bụ otu n'ime ya.

Nkowa okpụrụkpụ okwu; Ndi Igbo, Ala Igbo, Iduuazị, Omenala Igbo, Ịchụ aja.

**Abstract**

This paper investigates the re-enactment of sacrifices in Igbo novels. The main objective of the study is to explore the contexts in which sacrifices are re-enacted in some Igbo novels, and the stylistics featurs of the sacrifies. The selected Igbo novels in this research work are: *Ahubara eze ama* (AEA) and *Ụkpana okpoko buuru* (ỤOB). The novels were selected using the purposive sampling from many Igbo novels. The study hinges on the theoretical framework of contextual theory. The finding of the study shows that the predominant contexts where the sacrifices were re-enacted in the study were in the contexts of visitation, stealing, crowning of a king, traveling, preparing for war, remembering a promise to idle (ancestors) and retaliation. The study concludes that in recent times, when sacrifices are becoming extinct, contemporary Igbo literary works such novels are capable of educating modern Igbo people who may not have known anything about the value of such practices in Igbo culture. So Igbo novels should serve as rich tools for the documentation of endangered Igbo cultural practices which sacrifice is one of them.

## 1. Mkpolite

Agụmagu na-egosi ihe ederede ma ọ bụ nke ebiputara ebipụta n'obodo o bụla n'otu mgbe na ngalaba ihe ọmụmụ. Ọ na-eṅomi ndụ ndị mmadụ ma na-egosịpụta omume hasite na ngalaba dị iche iche dị ka ndị a: iduuazị, abụ na ejije. Nchọcha a gbadoro ụkwụn' iduuazị. Iduuazị na-enye ndị mmadụ ohere iche echiche banyere ihe ndị a na-ahụ anya na ndị anaghị ahụ anya bụ ndị gbara ndụ mmadu okirikiri nakwa ọnọdụ banyere ndụ ha bu nke enweghi ike ịghọta ozugbo. Iduuazị na-abụkwa ihe e ji enyere ndụ aka ma ọ bu iji kpaa ndị mmadu obi ụtọ ma bụrụkwa ihe na-eweta udo na mmekorita n'etiti mmadụ na ibe ya.

Huizunga (1980), kwuru na iduuazị na-enye aka na-ịkwalite iganihu nke ndụ mmadụ ọkachasị ndị ntorobịa. Ọ bụghị naanị na iduuazị na-enye aka n'ikwalite echiche mmadụ, ọ na-enyekwa

aka ịmata otu mba dị iche iche si ebi ndụ n'ụzọ omenala ha, mana ọ na-adịkwa iche site n'obodo ruo n'obodo ọzọ.

N'ikwu eziokwu, omenala bụ isi a hụrụ kwaba okpu n'ihe gbasara mmekọrịta na-adị n'etiti mmadụ na ibe ya nakwa ịkwalite ụzọ dị iche iche e si ebi ndụ n'obodo ndị nwe ya. Mana ruo taa, ọ dika a ga-asị na-enwebeghi nchọcha e merela maka ịchọpụta achụmaja n'ala Igbo nke *Ahụbara eze ama* na *Ụkpana okpoko buuru* dere. Ụfọdụ ndị ọka mmụta dika Igboanusi (2001) na Iwu Ikwubuzo (2012), emeela nchọcha banyere omenala n'abụ na iduuazị Igbo, mana o nweghi onye n'ime ha lebara anya n'achụmaja n'*Ahụbara eze ama* nakwa *Ụkpana okpoko buuru*. Ọ bụ ya mere o jiri dị ṅnụkwu mkpa na aga-eleba anya n'achụmaja n'iduuazị Igbo ndị ahụ.

Mbunuche nchocha a bụ ichọputa ọnọdụ dị iche iche achụmaja n'ala Igbo siripụta ihe n' (AEA) na (ỤOB); uru nchọcha a bara bụ na ọ ga-enye aka chekwaba omenala, ọdịnala Igbo nakwa ikwalite amamihe ndị mmadụ nke ọma. Ọ ga-enyekwa aka ikwalite ọnọdụ agụmagụ Igbo ma ọbụrụ na-etinyewe usoro achụmaja n'ala Igbo n' iduuazị Igbo. Njantule ndị e jiri mee nchocha a sitere n'iduuazị Igbo abụọ ndị a họtara bụ ndị nwere ihe a chọrọ ka a gụchara otụtụ iduuazị Igbo. Ha bụ ndị a: *Ahubara eze ama* (AEA) na *Ụkpana okpoko buuru* (ỤOB). Bido n'ebe a gawa, aha mkpurisi iduuazị ndị ahụ dị n'elu kaa ga-ejizi nọchịte anya aha iduuazị ederede ndị ahụ. Ọ bụ atụtụ ọnọdụ ka e jiri tụchaa njantule nchọcha a.

## 2. Ntụleghari Agụmagụ

### 2.1 Ndị Igbo

Eze (2019), kwuru na ndị Igbo bụ ndị isi ojii, ńtùtù ha dị ojii, ha bi n'ọwụwa anyanwu Naijirịa. Asụsụ ha bụ Igbo, ma ha bụ otu agburu a mara nke ọma n'ịgba mbọ. Ha gbasara n'akụkụ Naijirịa niile bido n'ugwu ruo na ndịda ebe ha na-achọ ihe afọ ga-eri. Ha na-agba oke mbọ n'izu ahịa, ọrụ oyibo, iko ọrụ ugbo nakwa aka ọrụ dị iche iche. Na nchọcha a, ndị Igbo bụ otu n'ime agbụrụ kachasị agba mbo onwe ha, ma sorokwa n'agburu kachasị n'ọnụogụ na Naịjirịa. Nke a mere na ha bi na steti ise so pụta ihe na Naijiria nke gụnyere: Enugu, Anambra, Imo, Abịa na Ebọnyị Steeti.

### 2.1.2. Ala Igbo

Eze (2019) kọwara na ala Igbo zọnyere ṹkwṹ na mpaghara ala Naịjirịa ndị a: Enugu, Imo, Anambara, Ebọnyị na Abịa steeti. A na-asụkarị asụsụ Igbo na Steeti ndị ahụ na-agbanyeghị na a na-asụkwa bekee. Obodo ndị olu ha na-àká apụtakarị ihe n'asụsụ Igbo bụ Nsụka, Udi, Aba, Owere, Enugu, Ọnịsha, Abakalike, Afikpo, Agbọ, Ọlụ, Ọkigwe, Ụmụahịa, ndị a enweghi olu, Nnewi, Ọka wdgz. Na nchọcha a, ebe bụ ala Igbo bụ steeti ise ndị ahụ dị n' ndịda anyanwụ Naịjiria bụ ndị nwe asụsụ Igbo, ha bụ: Enugwu, Abịa, Imo, Anambra na Ebọnyị.

### 2.1.3 Iduuazị

Okoye (2004), kwuru na iduuazị bụ agumagu ndị ahụ ọkọọ na-akọrọ anyị ọtụtụ ihe n'ime akwụkwọ ya naanị ya. O nweghị onye na-amanye ya aka n'ọnụ oge ọ na-akọ akụkọ ya naanị ma ọ chọrọ ka ọdị otu ahụ. O nwere ike webata mmadụ, o kwuo otu ihe ma ọ bụ abụọ. Ọkọ akụkọ nwere ịke ịkọ maka onwe ya ma ọ bụ maka ndị ọzọ, o nwekwara ike ịkọ maka ihe ọ hụrụ n'anya ma ọ bụ maka ihe ọ nụrụ na ntị. Onwekwara ike ịbụ akụkọ arọrọarọ ma ọ bụ akụkọ mere eme n'eziokwu. A na-edeputa agụmagụ ugbu a edeputa n'akwụkwọ. A na-amakwa afọ a kụrụ ya n'igwe nakwa aha onye ma ọ bụ ndị chepụtara ya. Oge ụfọdụ a na-amakwa ebe ihe ahụ nọrọ mee ma o bụrụ na akụkọ ahụ bụ ihe mere eme dị ka akụkọ *Omenụkọ* nke Pịta Nwana dere. Na nchọcha a, iduuazị pụtara akụkọ ndị ahụ ederede ma ọ bụ a kọrọ akọ n'ọnụ bụ nke ọkọọ ga-akọ

naanị ya ọtụtụ oge ma ọdịghị onye ga-atụnye ọnụ na ya weruo mgbe ọ chọrọ, onwere ike ọ bụrụ n'akwụkwọ ka e dere ya ma ọ bụ n' ọnụ ka akọrọ ya.

### 2.1.4 Omenala

Okwu a bụ omenala na-akụkọ mgbe ochie na-ejekọta ọnụ maka na ọtụtụ omenala nwere ịhe mere e jiri malite ha. O nwere ike ịbụ maka ọchịchị ma ọ bụkwanụ ọdịnala nke nwere ike ịnọte aka. Pascal (1990), kwuru na omenala nwere ike ibụ usoro obibị ndụ obodo nke na-esi na ndụdụgarandu ruo na ndụdụgarandụ. Ọ gakwara n'ihu kọwaa omenala dị ka ihe na-eme ka ndị mmadụ na-ahụta onwe ha n'anya dị ka ụmụnne maka na ihe otu onye kwere naya, onye nke ọzọ nwekwere nkwenye na ya. Omenala dị ka Okwo (2018) siri kọwaa ya bụ nkwenye, omume ma ọ bụ usoro obibi ndụ nke sitere n'aka otu ọgbọ fere n'ọgbọ ọzọ. Ọkwọ (2018) gara n'ihu kọwa na omenala nwere ike bụrụ akụkọ ifo, ekike ma ọ bụ usoro ekele. Ọ si na omenala nwere ike ịnọ ọtụtụ oge (afọ) tupu echefuo ya ma ọ bụ a gbanwee ya. Omenala n'ime nchọcha a pụtara nkwenye ndị ahụ a na-ahụ anya na ndị anaghị ahụ anya bu nke otu agbụrụ ma ọ bụ obodo nwekọtara ọnụ ma na-esikwa n'aka otu ọgbọ fere n'ọgbọ ọzọ.

### 2.1.5. Ịchụ aja

Okoye (2004), kwuru na ịchụ aja oge ụfọdụ na-abụ ihe afa kwuru na-eweta ịchụaja. Ya bụ ịgba afa gachaa, achụzie aja wee chụpụ ajọ ihe ndị ahụ na-eme mmadụ ma ọ bụ obodo ma ọ bụkwanụ ezinaụlọ. Ọ bụrụ nke a ga-arịọ ndị mmụọ, nna nna ma ọ bụ onye ụwa arịrịọ, ọ bụzị oke na ọrụ dibịa aja ime nke ahụ wee kụọ ha aka n' obi n'ihi nke a ma ọ bụ nke ọzọ. E nwekwara ike a chụọ aja ekele maọbụ aja iji chụọ ajọ mmadu, ajọ mmụọ na ajọ ihe ndị ọzọ ọsọ ụkwụ erughị ala. A na-ejikwa ọtụtụ ihe dịka nke e ji-agba afa achụkwa aja dị ka – (i) ọjị (2) nzụ (3) ụdara (4) akwa ọkụkọ (5) uriom ọkụkọ (6) ákwà-mmemme, ojii, ọcha (7) mmanụ nri (8) ego ayọrọ (9) ite ụrọ (10) ewu/atụrụ (11) ugbene ọkụkọ wdgz; achụ aja. Ịchụ aja na nchọcha a pụtara mmadụ iji ihe dị ya nukwu mkpa nke ukwuu wee nyee ndị nna nna, ndị mmụọ ma ọ bụ ndị ụwa (mmadụ) ka o wee nweta ihe ọzọ karịrị ya ihe ndị ahụ o jiri chụọ aja na mkpa.

## 2.2 Atụtụ metutara nchọchaa

### 2.2.1 Atụtụ akara

Atụtụ akara bụ atụtụ amara ama n'ọmụmụ asụsụ na agụmagụ. Atụtụ a sitere n'aka Saussure (1913). Atụtụ a na-agbado ụkwu n'etu a ga-esi kọwaa akara nakwa ihe ha pụtara n'anya ndị mmadụ nakwa omenala ha. N' echiche Semetsky (2007), atụtụ akara bụ mpaghara fịlọsọfị bụ nke na-akwado na tupu e nwee ezigbo nghọta zuru oke n'ihe ọbụla a na-eme, na-a ga-eleba anya n'okwu e kwuru n'ọnụ nakwa mmegharị akụkụ ahụ. Semestky (2007), kọwakwara na akara bu ihe mmadụ enweghi ike inwe ezigbo nghọta gbasara ya nke ọma ma ọbụrụ na ọ kwụrụ onwe ya. Ihe nke a pụtara bụ na ọ bụ na etinyeghi akara ihe ọzọ, na nghọta ya agaghi ezuche oke.

Atụtụ akara na-ekwu na ihe ọbụla mmadụ mere bụ akara tinyekwara na ihe ọbụla mmadụ hụrụ na-egosipụtakwa akara. Atụtụ a na-agbadokarị ụkwụ n'etu e si enweta nghọta site n'akara nakwa nkọwa ihe akara ahụ pụtara bụ nke ga-eme ka nghọta ihe a na-ekwu ma ọ bụ ihe a na-eme doo anya nke ọma. Atụtụ akara na-etinyekarị uche na nghọta ihe, ya mere o ji dị nnukwu mkpa maka mmekọrịta mmadụ na ibe ya, maka na akara ọbụla nwere ihe ọ na-ekwu maka ya. Ya bụ na ọ bụrụ na e webatachaghị akara ọbụla dị n' ọnọdụ maọbụ emume a nọ na ya, nghọta zuru oke agaghị adị n'ọnọdụ ma ọ bụ emume ahụ.

Ụfọdụ akara nwere ike inwe nghọta ọzọ ma ọbụrụ na akọwaa ha n'uzo ezighi ezi ma ọburu na ndị mmadụ nọ ebe ahụ amaghị omenala ndị nwe akara ahụ. Atụtụ akara na-egosi na ileba anya n'ihe akara pụtara n'emume e jiri webata ya dị nnukwu mkpa n'emume.

**2.2.2 Atụtụ ọnọdụ**

Atụtụ ọnọdụ bụ atụtụ e ji enyocha ma ọ bụ amụ maka asụsụ nakwa agụmagụ. Atụtụ ọnọdụ sitere n'aka Geetz (1973), mana Annis na David (1978) haziri atụtụ a n'ụzọ bụ ọpụrụ iche site na-ịkọwa ya ka ọ bụrụ nchịkọta ọtụtụ atụmatụ dị na fịlọsọfị, bụ nke gbadoro ụkwụ na ọka mma i ji ọnọdụ maọbụ mgbe ihe mere wee kọwaa ihe ahu mere. Schaffer na Knobe (2011), kwuru na atụtụ ọnọdụ na arụtụ aka n'ihe ọbụla gbasara amamihe. Ha kwukwara na ihe na-eme dị ezigbo mkpa mana e wepu onodu ihe ahụ jiri me na ọgaghị enwe ezigbo nghọta zuru oke. Schaffer na knobe gara n'ihu kwuo na agwa, ogo olu, echiche, ajamike ma ọ bụ otito na osịsa nke ndi nọ n'emume ahụ bara uru nke ukwuu etu emume ahu siri baa uru n'anya ndi nwe ya. Ya mere a ga-eji lebaa anya nke ọma ka ọnọdụ na ihe mere n'ọnọdụ bụrụ ihe ga-abata n' agumagu. Berendt (2008), n'echiche nke ya kwuru na ọnọdụ ma ọ bụ agụmagụ na-ekwu maka omenala na uru ha na-abara ndị nwe ha. Nke a ga-eme ka ọgụụ ma ọ bụ onye nkiri ghọtachaa ihe niile e mwere ma ọ bụ ekwuru na mmemme ahu bụ nke gbasatara ndị nwe emume ahụ. A ga-eji atụtụ ọnọdụ wee tuchaa njantule na nchocha a maka na ịchụ aja ọbụla a chụrụ ga-enweriri ọnọdụ a nọrọ na ya wee chụọ ya bụ aja. Atụtụ ọnọdụ barakwara uru na nchocha a maka na-ichu aja ọbụla na nchọcha a nwere onodu e jiri chụọ ya.

**2.3. Nchọcha emeela metutara isiokwu**

N'ebe a, onye nchọcha lebara anya n'ụfọdụ nchọcha ndị ọzọ merela bụ ndị metutara nchocha a. Igboanusi (2001) mere nchọcha gbasara omenala n'ufọdu iduuazị ndị Naijiria. Mbunuche nchọcha a bụ ichọpụta ma onwere ka omenala siri bata n'iduuazị ndi Naijiria ndị e jiri mee nchọcha. Nchọcha a chopụtara na ọmenala bụ ukwu osisi ndị odee iduuazị si enweta mgbọrọgwu ha ji ede iduuazị ha, maka na ọ na-eme ka iduuazị ha gosiputa obibi ndụ udi nwe ya.

Nke a ga-akwalite mmụọ ndị na-agụ ya bụ iduuazị. Nchọchaa gosịputakwara mma na agwa nke ndi odeejiri chọọ iduuazị ha mma. Dika ọdịnala ịkwụchim, amamihe, mmụta naka e siri hụta ụwa bucha ihe ndị hibereisi n'omenala. E jiri atụtụ ṅnyocha ụbụrụ saịkoanalisisi wee tụcha njantule. Ọ gara n'ihu kwuo na ndị odee iduụazi kwesiri iwebata omenala ndị ahụ dị mma n'iduuazị ha. Myiri dị n'etiti nchọcha Igboanusi (2001) na nchocha a bụna ha abụa lebara anya n'omenala dị iche iche dị n' iduuazị ufodu na Naijirịa. ebe ndiiche dị na ha bụ na Igboanusị (2001) mere nchocha banyere omenala n'iduuazị na Naijiria ebe nchocha a na-eme ụgbụ a na-eleba anya n'achụmaja n' ụfọdụ ịdụụazị Igbo. Ndịiche ọzọ bụ na Igboanusi (2001) jiri atụtụ saikoanalisis wee tụchaa njantule ya, ebe nchọcha nke a jiri atụtụ ọnọdu wee tuchaa njantule ya.

Iwu Ikwubụzọ(2012), mere nchọcha banyere ezinụlọ n'iduuazị Igbo anọ bụ ndị ahọpụtara. Na nkwusike nke ezinụlọ bu mgborogwu ji udo nakwa agamnihu nke obodo. Mbunuche nchọcha a bụ ịchoputa ma usoro obibi ndụ Igbo batara n'iduuazị Igbo ndị e jiri mee nchọcha. E jiri atụtụ nnyocha ụbụrụ (saikoanalisis) wee tụchaa njantule ya. Nchọcha a chọputara na ebe ọ bụla ndi Igbo nọ, ma ọ bụ n'ala Igbo ma ọ bu n'ebe ọzọ na usoro obibi ndụ ha di ha ńnukwu mkpa maka ikwalite omenala ha nakwa agammihụ nke obodo ha. Ọ chọputakwara na nkwụsike nke ezinụlọ bụ mgbọrọgwụ ji udo nakwa agamnihu nke obodo.

Okwukwara na ọ bụrụ na ezinụlọ ọ bula dị n'obodo nwere udo na agamnihu, na obodo ahụ ha nọ n'ime ya ga-enwe udo na agamnihu. Ọgara n' ihu kwuo na ndị odee iduuazị Igbo kwesiri iwebata usoro obibi ndụ ndi Igbo ndi ahu dị mma n'idauazi Igbo. Myiri dị n'etiti nchọcha IwuIkwubụzọ (2012) na nchọcha nke a bụ na ha abụọ mere nchọcha gbasara omenala n'iduuazị Igbo. Ebe ndị iche di n'etiti ha bụ na Iwu Ikwubụzọ (2012) mere nchọcha banyere ezinụlọ n'iduuazị Igbo. Ebe nchọcha a na-eme ugbu a na-eleba anya n'achụm aja n'ufọdu iduuazị Igbo.

Ndị iche ọzọ bụ na IwuIkwụbuzọ (2012) jiri atụtụ saikoaralisis wee tụchaa njantule ya ebe nchọcha nke a jiri atụtụ ọnọdụ wee tụchaa njantule nke ya.

**2.3 Nchịkọta ntulegharị agụmagụ**

N'ebe a, e lebara anya n'ụfọdụ ọkpụrụkpụ isiokwu dị mkpa metutara nchọcha a, dị ka ndị a: ndị Igbo, ala Igbo, idụazi, omenala na ịchu aja. A bịa na ntụlegharị nchọcha e emerela banyere isiokwu, onye nchọcha lebara anya n'ụfọdụ nchọcha si n'aka Igboanụsị (2001) na IwuIkwubụzọ (2012). Abịa n'agụmagụ abụa ndị ahụ e nyochara, o nwere nke gbadoro ụkwụ n'omenala n' iduuazị Igbo ufọdu. Ebe nke ọzọ lebara anya n'ezinụlọ n'iduuazị Igbo ufọdụ.

Mana ka o siladi, n'ime nchọcha ahụ niile atụlere, onweghi nke lebara anya n'achụmaja n'ụfọdụ iduuazị Igbo, ọ kachasị n'iduuazị ndị a họọrọ wee mee nchọcha: *Ahụbara eze ama* na *Ụkpana okpoko buuru*.

**2.4 Atụtụ nji arụ ọrụ**

Atụtụ nji arụ ọrụ n'nchọcha a bụ atụtụ ọnọdụ. Schaffer na Knobe (2011), kwuru na atụtụ ọnọdụ na-arụtụ aka n'ihe ọ bụla gbasara amamihe. Ha kwukwara na ihe na-eme dị ezigbo mkpa mana e wepu ọnọdụ ihe jiri mee na ọ gaghị enwe ezigbo nghọta zuru oke. Schaffer na Knobe gara n'ihu kwuo na agwa, ogo olu, echiche, ajamike ma ọ bụ otito na ọsịsa nke ndị nọ n'emume ahụ bara uru nke ukwuu etu emume ahụ siri ba uru n'anya ndị nwe ya. Ya mere a ga-eji lebaa anya nke ọma ka ọnọdụ na ihe mere n'onọdụ bụrụ ihe ga-abata n' agụmagụ.

E jiri atụtụ ọnọdụ wee tụchaa njantule na nchọcha a maka na ịchu aja ọbụla a chụrụ ga-e nwerịrị ọnọdụ a nọrọ naya wee chụọ ya bụ aja. Atụtụ ọnọdụ batakwara na nchọcha a maka na ọ na-ekwụ, na ịchụ aja bụ otu ụzọ n'ime omenala bụ nke na-adị n'agụmagụ.

**3. Ntụcha njantule**

N'ebe a, a ga-agbambọ weputachaa ichụ aja niile di n'iduuazị ndị a họọrọ. A ga-akọwa ọnọdụ ma ọ bụ emume a nọrọ nwetachaa ịchụ aja ndị ahụ niile. A ga-eji atụtụ ọnọdụ wee kọwapụta ka achụmaja n'ụzọ omenala ndị Igbo siri pụta ihe n'iduuazị Igbo ndị a họrọ. Ịchụ aja n' ụzọ omenala Igbo pụtara ihe ka a kọwara n'ala ala ebe a.

**3.1 Ịchụ aja dị ka osiri pụta ihe n'iduuazị ndị a họọrọ**

Ichụ aja bụ otu n'ime omenala Igbo bụ nke e nwetara n'iduuazị ndị e ji mee nchọcha a. Ndi Igbo bụ ndị tinyere uche nke ukwuu n'ịchụ aja mgbe ọ bụla ha nwere nsogbu ma ọ bu ihe ọzọ a ga-achụrụ aja daputara na ndụ ha.

Ha nwekwara nnukwu nkwenye n'ebe Chineke ha nọ. Onodu ma o bụ mmemme dị iche iche ebe ịchu aja putara ihe n'iduuazị ndi e jiri mee nchọcha a gunyere ndị a:

**3.1.1. Ọnọdụ nleta/ọbịa**

Ọnọdụ nleta bụ otụ n'ime ọnọdụ ebe ịchu aja pụtara ihe n'iduuazị Igbo. N' 'AEA' n' (Ihu akwụkwo 5), e nwere ịchụ aja, nke a bụ mgbe ndi Ụmụokwe atọ chọtara isi mmadụ ha ga-eji lie eze ha bụ Eze Ezisi nabe Eze Ogbuiri. Ọjị eze Ogbuiri chere ha kụrụ aka (*ọjị ahụ gbara ibe abụọ*). Eze Ogbuiri wee ziga Atuefe na be Akpatụrụ bu dibia afa ka ọ mata ihe mere ọjị ahụ ji wee "kụọ aka". Akpatụrụ (dịbịa afa) gwara Atụefe ka eze Ogbuiri jiri ebule ọcha, ọkụkọ ọcha, akwa ọkụkọ, isinnuna ekpem mmaịikè eru ala wee chụọrọ ágwụ̀ ndị ichie aja.

Ele anya n'achumaja ahụ-eze Ogbuiri chụrụ, a ga-ahụ na atụtụ ọnọdụ putara ihe na ya, maka na-achụmaja ahụ nwere onọdụ ma ọ bụ ihe mere e jiri chụọ ya.

**3.1.2 Ọnọdụ izu ohi**

Ịchụ aja ọzọ batara n' ỤOB n' Ihu akwụkwọ .6, mgbe ndị Agangwu jidere Mz. Ike n'ohi o jere be ha. Ha kpuru ya laa, n'obodo ya bụ Ifite Amaeke, eze ndị Ifite Amaeke bụ Ọbiude aja wee nye iwu ka e jiri Mz. Ike chụọrọ arụsị ha bụ Ọgba aja ka ndị Odogwu ndị Ọzọ dị ndụ jiri ya mụrụ akọ.

Atụtụ ọnọdụ batara ma bakwa uru n'achụmaja ahụ maka na onwere ihe mere ma ọ bụ ọnọdụ ejiri chụọ ya bụ aja, ya mere e jiri were atụtụ ọnọdụ wee kọwa ihe mere ejiri chuo aja ahụ.

**3.1.3. Ọnọdụ ichi eze**

Ịchu aja ọzọ batara n'AEA n' ihu akwukwo, 24, mgbe Okonkwo jesiri na nke dịbịa afa dị iche iche ka ọ mata ma ọbụ uche ndị obodo ya bu Ụrueze ka ọ bụrụ eze ha. Dibịa afa gwara ya ka o jiri ihe dị ịche ịche chụọ aja dị iche iche, ka o nwere chere iche eze ya. Atụtụ ọnọdu bara uru na nkọwa achụmaja ahụ, maka na ọ bụ ya ka ejiri mata ihe mere ma ọ bụ ọnọdụ, e jiri maka ya chụọ aja ahụ.

**3.1.4 Ọnọdụnjem**

N'ỤOB (Ihu akwukwo 27), achụmaja pụtara ihe mgbe Mz. Obijiọfọ na ụmụ ya bụ 'Jideọfọ na Obiora na-agbaga ọsọ ndụ N'Ụmụarọ, ka ha batara na mmiri Umụaro, Ụgbo amara ha wee jụụ ị ga-ije. Mz.Obijiofo jiri ọjị wee chụọrọ mmụọ mmịrị ahụ aja tupu ụgbọ ha ekwere gakwakwa ije ọzọ.

Atụtụ onọdụ batara n'achụmaja ahụ nke ọma maka na ọ bụ ya kọwara ọnọdụ ejiri chụọ aja ahụ ma ọ bụ ihe mere e jiri chụọ ya bụ aja.

**3.1.5 Ọnọdụ ịkwado agha**

Ịchụ aja ọzọ batakwara n'AEA n'ihu akwukwo 44, mgbe Eze *Ahụbara eze ama* jiri otu ọkụkọ wee chụọrọ arụsị ha bụ olise aja ka ọnọnyere ndị Ụrueze n'agha ha na-akwado ije n'ala ndị Ekperima. Atụtụ ọnọdụ bara uru nke ọma n'achụmaja ahụ maka na ọ bụ ya kọwara mgbe, na ihe kpatara e jiri maka ya chụọ aja ahụ.

**3.1.6 Ọnọdụ icheta ṅkwa**

N'; AEA ihu akwukwo 77, ịchụ ajabatara ọzọ mgbe Eze *Ahụbara eze ama*, jiri otu ebule wee chụọrọ arụsị ha bụ Oilse aja iji chetara ya n'uche ya dị na nkwa otu oke ehi okwere ya na nkwa mgbe ndị Urueze na-akwado ịga-agha na'ala ndị Ekperima.

Atụtụ ọnọdụ bara uru n'achụmaja ahụ maka na ọ na-akọwa ihe mere nakwa ọnọdu ma o b ụ mgbe ejiri chụọ ya bụaja.

**3.1.7 Ọnọdụ ibọrọọbọ**

Ịchụaja batakwara n' ỤOB, n' ihu akwukwọ, 77, mgbe Mgbafọ jiri onwe ya wee chụọ aja site na iji onwe ya gwụọ ọgwụ a na-akpọ "o nwere ntị, anụghị ihe". Ọ gwuọrọ ya ka ọ ga-abụ ihe ọbụla a gwara ndị Ifite Amaeke (ndị Odgwu), ha sị na ọ bụ asị, nke ọ ga-abụ obodo ọbụla bịara ha agha, ha ga-anọ ebe ha na-arụ ụka, ekpọchapụ ha, nke a bụ ka o bọrọ ọbọ nwa ya ha gburu were akpụkpọ ya wee kwee edere ha.

N'ebe a, atụtụ ọnọdụ batara ma bakwa uru nke ukwuu n'achụm aja ahụ maka na ọ bụ ya mere ka amata mgbe nakwa ihe mere e jiri chụa aja ahụ.

**4. Nyaji/ure dị iche iche ndị odee jiri chọọ iduuazị ha ndị ahụ mma**

Abịa n'iduuazị ndị ahụ e jiri mee nchọcha a, ndị odee webatara nyaji ma ọ bụ ure di iche iche mgbe ha na-ede iduuazị ha ndị ahụ, ha bụ ndị a:

**4.1 Nsinụ ụda/Ụda ụda (onomatopeia)**

Nsinụụda dịka Ofomata (2010:138), siri kọwaa ya bụ nghọta e si n'ụda ihe dara amata ihe ihe ahụbụ.Ọbụ atụmatụ okwu e si n'otu ihe siri mee, ọtụ o siri daa ụda, ma ọ bụ mkpọtụ amata ihe ihe ahụ bụ, lee ihe ndị ọmụmatụ ndị a dị n'ala ala nke sị n' AEA, (ihu akwukwo 5).

Atụefe na-ama ọnụ "*jịjịjịị"*.

Okwu ahụ akara ihe n'okpuru ya bụ nsinụụda bụ nke batara mgbe Atuefe batara na be Akpatụrụ (dibịa afa) ịmata ihe mere na ọjị eze Ogburi wara ndị Ụmuokwe chọtara isi mmadụ ha ga-eji lie eze ha bụ eze Ezisi kụrụ aka, ka akpatụrụ na-agwa Atụefe okwu, ọnụ a na-ama ya *jịjịjjịị*. Na ọnụna-ama Atụefe *jijiii* gosiri na ụjo dị egwu ji ya aka n'ọnọdu ahụ ọ nọ, naya.

N'ihu akwkụkwọ, 36 n'AEA, nghọta nsinụụda ọzọ batara bụ "jajaja". Nke a bụ mgbe odee na-akọwa ka anya otu mmanwụ a na-akpọ Odogwu anya mmemme si àchá anya mgbe ọ batara n' ọgbọ ebe a na-echi Okonkwọeze.

Na anya mmanwụ ahụ na-acha "jajaja" gosiri na anya dị ya ọkụ nke nkwụu ma ọ bụ na o na-akpọ ganịganị imeru ndị mmadụ ahụ

**4.2 Myiri (simile)**

Ofomata (2010), kọwarana myịrị bụ ihe, e ji atụnyere ihe ọzọ n'asụsụ. Ọ sịrị na myiri na-egosipụta na ihe yiri ịbe ya, na ihe dịka ibe ya mana ọbughị na ihe abụọ ahụ e jiri tụnyere ibe ya na ha bụ otu kpọmkwem. Okwu eji enweta myiri n'asụsụ Igbo bụ; "dịka", ma ọ bụ "ka".Mgbe ọbụla mmadụ na-ekwu okwu were sịna ihe dịka ma ọ bụ na mmadụ na-eme ihe ka onye ọzọ, okwu ahụ onye ahụkwuru abụrụla "myiri" Lee ihe ọmụmatụ si n' AEA ihu akwukwo, 4-7.

"O kwue okwu ebe a, olu ya a na-èkétú ka ògénè".N'ahịrị okwu ahụ, bụ nke batara mgbe Odee na-akọwa ka nwaego siri ma mma nakwa ka ọlu ya si da ka ogene. Myiri di n'ahịrị okwu ahụ bụ": "ka olu ya si adaka ogene". Odee asịghị na olu Nwaego bụ ogene, kama ọ siri na olu ya na-eketu ka ogene".

**4.3 Ilu (Proverb)**

Mbah na Mbah (2007), kwuru na'ilu bụ okwu amamihe nke na-emeka e chiemie echiche nke ọma maka ihe a na-ekwu maka ya. Lee ahịrị okwu ndị a dị n'ala ala, ha bụcha ihe ọmụmụatụ ndị si n'AEA n'ihuakwụkọ 1. N'ihi na ọgbọ mmadụ nwụọ, uche ọnwụ echebe ya" onye tụrụ ilụ ahụ bụ Eze Ogbuiri, mgbe ndị Ụmuọkwe atọ bịara be ya maka isi mmadụ ha ga-eji lie eze ha bụ Eze Ezisi. N'onodu o jiri tụọ ilu ahụ, o jiri ya gosi ha naya na eze Ezisi bụọ̀gbọ́ ma chiekwa eze otu oge ma ya anwuọla ụgbu a. Ebe ọzọ e nwere ilu n' AEA bụ n' ihu akwukwo 5; mgbe eze Ogbuiri na ndị Ụmụokwe na-akpa maka isi mmadụ ha ga-eji lie eze ha bụ eze Ezisi, o tụrụ ha ilusi: "Aga m agwa unu na-achọba ahụ anaghị akọ n'akpa nwa dibịa.

Ihe ilu ahụ pụtara n'ọnọdụ e jiri tụọya bụ na onweghị mgbe a ga-achọta isi mmadụ na be ya (Ogbuiri) ka aghara inweta ya.

Ebe ọzọ ilu Igbo batara n'iduuazị Igbo ndị e jiri mee nchọcha a bu n' ỤOB n'ihu akwụkwọ 1, mgbe odee na-amalịte ịkọ akụkọ ya, ọ tụrụ ilu sị: "ikwiikwii nyụrụ ahụrụ sị ụmụnna yakwere ya egwu. Ha sị ya, tụfịa na-adịghị ekwere ihe ojọọ egwu". Odee tụrụ ilu ahụ mgbe ọ na-amalite edemede ya iji gosi na akụkọ ya ga-ajọ njọọ nantị. O jikwara ya kọwaa n'ihe ọjọọ adịghị mma, nakwa na ọnọdụ o jiri tụọ ya, ọ na-egosikwa na-anaghị enye ihe ọjọọ otito ma o bụ akwanyere ya ugwu n' ala Igbo.

**4.4 Asịniilu**

Ofomata (2010:196), kọwara na asịniilu bụ otu n'ime atụmatụ okwu dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo. Asịniilu bụ okwu ṅka a na-eyite ilu, mana ọdị iche n'ịlu, mana ya na ilu bụcha okwu ṅka ndị Igbo ji edozi okwu ha nke ọma. Lee ihe ịmaatu, nke si n' ỤOB n'ihu akwụkwọ 48. "A sị na ụsụ sị na ya mara ka ya si jọọ njọ, wee were abalị apụta". Onye turu ya bụ asịniilu bụ Mz. Jideofo mgbe o na-akọwara ndị Ifete Amaeke naya maraka ya si-ezere ndị Odogwu ma ha ekweghi ahapụ ya aka. Ihe ọpụtara bụna Mz. Jideofo mara ka ndi Odogwu siri achọ ya okwu were na-ezere ha mana ha a na-achọ ya okwu mgbe ọ bụla. Ebe ọzọ asịniilu batara n' ỤOB bụ n'ihu akwukwo, 60.

Dịka: "ọkụkọ sị na-abọọ abọọ e rie erie". Odee tụrụ ilu a mgbe ọ na-akọwa ka Kasie si eledo nne ya bụ Mgbafo anya. Ihe asịniilu ahụ pụtara n'ọnọdụ e jiri tụọ ya bụ na onye gbaa mbọ, o rie uru mbọ ọ gbara ń'ikpeazụ ya mere Mgbafọ ji eri aka (uru) nwa ya bụ Kasiemobi.

**5. Nchịkota na Ntụnye aro**

Nchọpụta nchọcha a na-egosi na ndị Odee iduuazị Igbo ndị e jiri mee nchọcha a webatara ịchụ aja n'ụzọ omenala ndị Igbo n'iduuazị ha. Ha webatara ịchụ aja ndị ahụ n'ọnọdụ dị iche iche dị ka; nleta/ọbịa, izu ohi, ichi eze, njem, ịkwado agha, ịgwọ oria, icheta ṅkwa e kwere arụsị. N'ịchụ aja ndị ahụ dị n'akwụkwọ iduuazị ndị ahu e jiri mee nchọcha bụ ka e wee kwalite omenala Igbo. Ọnwekwara ike ịbụ ka e gosiputakwa ka ndị Igbo siri hụta ụwa ma ọ bụ echiche ha site n'ichụ aja ndi ahụ. Ndị Odee jiri iduuazị ha ndị ahụ gosipụtakwa etu ndị Igbo si ebi ndụ nakwa nsogbu nwere ike ịdapụta ma ọ burụ na-agbasoghị usoro omenala ha. Nchọcha a chọpụtara na atụtụ ọnọdụ batara n'achụmaja ndị ahụ niile nke ukwu.

N'ikwu eziowku, achụmaja kwesiri ka ndị Odee agụmagụ Igbo na-ewebata ya n'akwụkwọ agụmagụ Igbo ma na-egosiputakwa obibi ndụ ndị Igbo naya. Ya bụ na ọ dị nnukwu mkpa ka a na-etinye ịchụ aja n'agụmagụ ndị Igbo ka ndị ṅtorobịa na-amaghi ihe bụ achụmaja uru ha bara, na-otu e si achụaja n' ala Igbo mata ihe niile ha kwesiri ịma gbasara ịchụ aja.

**Nrụaka**

Annis, P. & David, S. (1978). *A contextual theory of epistemic justification:* American philosophical quarterly. 15, 213-219.

Eze, R. I. (2019). *Mmụta asụsụ Igbo n'ogo junịọ sekondịrị:* Chuka educational publishers, Nsukka Nigeria.

Geertz, C. (1973). *The interpretation of cultures.Selected essays*. New York: Basic books.

Igboanusi, H. (2001). Igbo tradition in the Nigerian novel.African study monographs, *22*(2), 47-54.

Igwu, I. (2012). *Family and the Igbo novel*, a paper presented at the Departmental of Linguistics, African and Asian studies, University of Lagos.

Mbah, B. M., & Mbah, E. E. (2007).*Azuonye: Lecture on Igbo literature and stylistics.* Enugu: University of Nigeria Press Ltd.

Ofomata, E. C. (2010). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo. Nke ndị sinio sekondiri*: Format publishers (NIG) Ltd.

Okoye, O. L. (2004). *Ntuziaka maka ụdaasụsụ, ụtọasụsụ na omenala Igbo:* Ịnnọge trading company ltd. 12 Kestina Cresent Achara Layout, Enugu by Igbariam Primary School.

Ọkwọ, A. C., Ikeokwu, E. S. & Akaeze, C. M. (2018).*Element of Igbo traditional religious practices in selected Igbo plays.*Nsukka journal of African Languages and Linguistics (NJALL) vol. 13, 2018, ISSN 0794-6961. Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Pascal, B. (1990). *Tradition as truth and communication:* A cognitive description of traditional discourse. Cambridge: Cambridge University P ress.

Saussure, F. D. (1913). *Course in general linguistics* (transl. Wade Buskin). London: Fontana/Collins.

Schaffer, J. & Knobe, J. (2011). Contrastive knowledge surveyed. Nous, 46 (4), 675-708

Yvas, C. (2004). *The meaning of traditions*. Indiana: Ignatius Press.